# JEKỌB NIME HERAN -- ỌGBỤGBANDỤ AHỤ NA MIZPA
## Jenesis 29:1-20; 30:25-34; 31:1-24, 36-55
## IHEỌMỤMỤ 24 - Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ọ nēme ka ndi di ume-ala n'obi zọ ije n'ikpe: Ọ nēzi kwa ndi di ume-ala n'obi uzọ Ya" (Abù Ọma 25:9).**

### Mbịaru Jekọb Na Heran

Mgbe o zutesịrị Chineke na Betel, Jekọb gara n'iru n'ijè ya. Ọ gabigara ala ọzara dị ọtụtụ mailị, eleghịanya naezutaghị onye ọ bụla: ma otù ụbọchị ọ hụrụ olùlùmmiri, nke ọ bụ na gburugburu ya ka igwè ewu na atụrụ atọ naamakpu. Site na nke a ọ matara na ọ naerute nsọ ebe obibi ebe ọ gaezute ndị mmadụ.

Olùlùmmiri dị óké mkpà n'ala kpọrọnkụ nke ọwụwaanyanwụ. Ọ dịghị mmadụ maọbụ anụmanụ pụrụ ịdị ndụ náañụghị mmiri, maọbụ ihe ọkụkụ ipute, náagbanyeghị otú ala ahụ si bụrụ ezi ala. Ọ bụ ihe siriike nke ukwuu igwu olùlùmmiri n'ala nkume n'oge ochie ahụ ebe ha náaghaghị igwumi ala maka ịchọta mmiri, olùlù ndị ahụ bụ ihe dị kwa óké mkpà. Ọtụtụ mgbe anaeji ha eme òkèala (Jenesis 25:11; Joshua 18:15), ma agụrụ ya ná ngọzi pụrụ iche mgbe enyere ụmụ Israel olùlùmmiri dị icheiche nke ha náegwughị mgbe ha batara n'Ala Mkwà ahụ (Deuteronomi 6:11). Oge ụfọdụ esemokwu siriike naapụta n'ihi ịdọ ndọrọndọrọ onye nwe olùlùmmiri.

N'ikpeazụ nke ndụ ya Jekọb gwuwakwara olùlùmmiri, nke akpọkwasịrị aha ya. Ọ bụ n'ọnụ olùlùmmiri ahụ ka Jisọs nọdụrụ ala mgbe Ọ naagwa nwanyị Sameria ahụ okwu, mgbe ọtụtụ arọ gasịrị. Ọ dị kwa rue taa, ma agwara anyị na obosara ya dị fit iteghete ma ime ya dị kwa fit 105 n'omimi.

### Jekọb Na Rechal Zutere

Mgbe Jekọb bịaruru olùlùmmiri ahụ ọ jụrụ ndị ná azụatụrụ nọ n'ebe ahụ ajụjụ ma ọ dị onye ọ bụla nime ha matara Nwanne ya nwoke Leban. Ha gwara ya na ha matara, na ada Leban, Rachel, chiri igwe atụrụ nna ya náabịaru olùlùmmiri ahụ. Mgbe ọ bịaruru Jekọb nyeere ya aka n'ịkpọrepụ nkume ahụ eji kpuchie ọnụ olùlùmmiri ahụ igbochi ahịhịa na ime ka mmadụ na anụmanụ ghara ịdakpu nime ya náamaghịama. Mgbe o nyesịrị igweatụrụ ahụ mmiri ọ kọwaara ya onweya; nwa agbọghọ ahụ wee gbalaga n'ụlọ ịgwá nna ya na nwanwanne ya nwanyi esiwo n'obodo dị anya bịa ileta ha. Eleghịanya Leban ahụbeghị kwa nwanne ya nwanyị Rebeka ọzọ site n'ụbọchị ahụ nke o sooro orù Abraham pụọ ịbụrụ Aisak nwunye, ma obi tọọrọ ya ụtọ nke ukwuu ịhụ nwa ya nwoke na ịmata ihe banyere ọdịmma ya.

### Ọlụ Ịhụn'anya

Mgbe Jekọb na Leban biri ihe dịka otù ọnwa lụkwara ya ọlụ, akwụghachiri ya ụgwọọlụ n'ihi ihe ọ naalụ. Jekọb chọrọ ka Rechel bụrụ nwunye ya, o wee gwa Leban na ọ gaalụrụ ya ọlụ arọ asaa n'ihi ya. Ihe edere n'akwụkwọnsọ gwara anyị na arọ asaa ahụ "di n'anya-ya dika ubọchi ole-na-ole, n'ihi ihun'anya o ji hu ya."

Ọ dịghị esiri anyị ike imere ndị anyị hụrụ n'anya iheọma. Òlee otú ịhụn'anya anyị gaesi ghara ịdị ukwuu nye Chineke, òlee kwa otú anyị gaesi ghara ịgbalịsiike ịlụọlụ Ya! Ọtụtụ mgbe anyị n'ahụ ndị náasị na ha naeji obi ha dum hụ Chineke n'anya, ma oge niile ka ha naenwe ihe ngọpụ mgbe agwara ha ka ha lụara Ya ọlụ. Jisọs gwara ụfọdụ ndị náasị na ha hụrụ Ya n'anya. "Ma gini mere unu nākpọm, Onye-nwe-ayi, Onye-nwe-ayi, ma unu emegh ihe nile M'kwuru?" (Luk 6:46). Anyị pụrụ igosi ịhụn'anya anyị n'ebe Jisọs nọ site n'iji obi anyị niile jeere Ya ozi; ma anyị pụrụ ịchọpụta kwa site n'Okwu Chineke ihe ọlụ ahụ bụ: "Ka ọ ra, bụ otú unu si me ya nye otù onye nime umu-nnam ndia, bu ndi dikasiri ntà Mu ka unu mere ya nye" (Matiu 25:40).

### Mkpagbu Nke Jekọb

Ọ bụ ezie na obibi Jekọb biri na Heran nwere mmalite dị mma, ma ihe niile adịghị ụtọ gaa n'iru. Leban edebezughị mkwà ya niile, ọ ghọgbukwara Jekọb ọtụtụ mgbe, gbanwe ụgwọọlụ ya ugbò iri. Jekọb lụsiriọlụ ike ime ka obi dị ọgọ ya nwoke ụtọ, náazụ igwe ewu na atụrụ ya n'ọzara. Ọ gabigara okpomọkụ na akpịrịịkpọnkụ n'ehihie, mgbe ụfọdụ oyi naatụ ya n'abalị ọ pụghị kwa ịrarụụra. Ma ọ bụrụ na anụọhịa dị ike abịa n'abalị dọgbue atụrụ maọbụ ewu, Jekọb bụ onye ụsụ ya gaadịkwasị n'isi ya.

Leban na Jekọb gaenweworị mkwekọrịta n'ụdị igwè ewu na atụrụ ndị gaabụ nke ya (nke náabụkarị n'oge niile òkè dịkasịrị ntà); mgbe ahụ Chineke gaagọzi Jekọb, mee òkè nke ya baaụba karịsịa. Mgbe ahụ Leban gaatụgharị mkwekọrịta ahụ ka o nwe ike iritaara onweya nke ahụ ka ukwuu; ma Chineke gaagọzi kwa Jekọb ọzọ ka o wee bụrụ onye mmeri.

Iriarọabụọ ka Jekọb ji féé Leban òfùfè -- nke mbụ n'ihi ndị nwunye ya abụọ emesịa n'ihi igwè ewu na atụrụ ya. N'ihi nlekọta nke Chineke n'ebe ọ nọ, o nwere ụmụ ndịkom irinaotù na igwè anụụlọ dị icheiche nke o nwere ike ịkpọ nke ya, o wee kpebie ịlaghachi n'obodo nke aka ya. Leban achọghị kwa ịrapụ ya ka ọ laa, n'ihi na ọ matara na Chineke agọziwo kwa ya n'ihi Jekọb, na o nwetawo kwa akụ̀ riri nne site n'òfùfè nke Jekọb.

**Anya Nche Nke Chineke**

Jekọb hụrụ ahụhụ n'ihi aghụghọ nke Leban, ma site na nke a mata otú ọ gaadịworị Ịsọ mgbe ahụ o tụfuru ọnọdụ nke diọkpara ya na ngọzi ahụ site n'aghụghọ Jekọb. Chineke atụleworị na Jekọb ahụzuwo ahụhụ otú o kwesịrị, ya mere O gosikwara ya Onweya ọzọ ná nrọ wee gwa ya ka ọ laghachikuru ụmụnna ya. Chineke sịrị na Ọ náeche nche mgbe niile, na Ọ hụ kwara ihe niile nke Leban meworo. Oge ụfọdụ anyị pụrụ ịgabiga ọnwụnwa dị icheiche mgbe ọ dị ka Chineke ọ rapụwo anyị, ma O kwewo mkwà na Ọ gaghị arapụ maọbụ jụ ndị nke Ya. Ọ naeche ụmụ Ya nche; mgbe Ọ hụrụ naanwazuwo anyị otú o kwesịrị, Ọ naeme ụzọ mgbapụ ma kwughachi anyị ụgwọọlụ n'ihi nguzo ziriezi.

Onyenweanyị sịrị Jekọb, "Mu onwem bụ Chineke nke Betel." Nke ahụ dị óké mkpà, n'ihi na ọ bụ na Betel ka Chineke kweworo mkwà ịkpọghachi Jekọb n'ụlọ nna ya ọzọ. Jekọb ekwewo mkwà n'ebe ahụ, ma debezu kwa mkwà ya n'arọ niile ndị ahụ, ma ugbu a Chineke ejikerewo inyere ya aka ịlaghachi ụlọ.

Jekọb gwara ndịnyom ya ihe Chineke kwuru, ha kwenyere na o sitere n'ụzọ ziriezi nweta ihe niile nke o nwetara; na ọ bụrụ na Chineke chọrọ ka ha rapụ Heran, na ha jikeere ijé.

Leban jụrụ ọbụná ileba anya n'ihe banyere ọpụpụ Jekọb; ma n'otù ụbọchị mgbe ọ pụrụ ịkpacha igwè ewu na atụrụ ajị, Jekọb chikọtara ihe niile bụ nke ya wee malite ijè ahụ dị ogologo nke ịlaghachi ụlọ. Mgbe agwara Leban banyere ya ka ụbọchị atọ gafeworo, iwe were ya nke ukwuu, ọ kpọkọtara ndịkom ya ụfọdụ malite ịchụsọ ha ọkụọkụ. Ha chụsoro ya ụbọchị asaa tutu ha ejekuru Jekọb na ndị ha na ya so, ma náatụle n'obi ya otú ọ gaesi megide Jekọb. Ma Chineke naelekọta nwa Ya. Ọ dọrọ Leban akanántị ka o lezie anya maka ụdị okwu ọ gaagwa Jekọb. Leban nwere nsọpụrụ zuruókè n'ebe Chineke nọ ige Ya ntị na ịnara ịdọakanántị ahụ. Tutu o zute di ụmụ ya o nwewo ike ijikọta onwe ya wee kwue okwu n'ụzọ ziriezi.

**Ọgbụgbandụ Nke Leban Na Jekọb**

Jekọb nwere nwụte n'ihi na Leban chụsoro ya dịka agasị na ọ bụ onyeiro. Ọ kọwaara ya na ọ dọgburu onweya n'ọlụ inweta ihe niile nke o ketaworo, ma nweta kwa ha n'ikwesị ntụkwasịobi dịka ntụpụta niile nke Leban si dị. N'ikpeazụ Leban kwenyere ịrapụ ihe ndị ahụ o chere na ha bụ ihe ruru ya, ya na Jekọb wee gbaa ndụ nke ọ rịọrọ Chineke ka Ọ bụrụ onyeama. Nke a bụ nke mbụ Leban webatara Chineke na mkwekọrịta nke ya na Jekọb, nke a bụ kwa ọgbụgbandụ mbụ nke náeguzogide. Ọ bụrụ na anyị achọ ndụmọdụ nke Chineke ná nzube niile anyị, wee soro ntuziaka Ya, anyị pụrụ inwe olileanya nke ịgan'iru. Ọtụtụ mgbe n'ekpere, anyị adịghị arịọ ka anyị mara uche Chineke dịka anyị si arịọ Ya ka Ọ kwagide ọchịchọ anyị niile. "Debe-kwa-nu okwu nile nke ọgbụgbandụ a, me kwa ha, ka unu we nwe uche n'ihe niile nke unu naeme" (Deuteronomị 29:9).

Site n'ihe a mere ebe a anyị nwetara okwu maramma nke anaekwu oge niile mgbe ezi ndị enyi abụọ naarapụ ibe ha. "Ka JEHOVA che nche n'etiti mu na gi, mgbe agēzopu ayi otù onye n'ebe ibe ya nọ." Anaakpọ ya "Mizpa," bu aha ebe ahụ agbara ọgbụgbandụ ahụ.

Ọ bụ omen'ala n'oge ahụ ịka ọgbụgbandụ akàrà site n'ịkpọ oriri. Jekọb chụrụàjà wee kpọkọta ụmụnne ya ka ha rịkọta nri. N'ụtụtụ ụbọchị náesoni Leban sịrị ụmụ ya gaanụ nkeọma wee laghaghị ụlọ.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Ònye ka Jekọb bụ n'ebe Leban nọ?
2. Jekọb ò fere Leban arọ ole?
3. Ngọzi nke Chineke ọ̀ naeso Jekọb gaa n'iru
4. Ugbò ole ka Leban gbanwere ụgwọọlụ Jekọb?
5. Nime Jenesis 31:13 Chineke chetara mkwà Jekọb. Ị̀ naeche na Onyenweanyị na arịba mkwà anyị niile ama?